AHA ONYE AHỊA	ID NỌMBA ACES

Ikike Gị na Ọrụ Dịịrị Gị Mgbe I Nwetara Enyemọrụ Ndị Nlekọta Ibi N'ụlọ ma N'obodo yana Nlekọta Nkwarụ Mmepe Nyere

Your Rights and Responsibilities When You Receive Services Offered by Home and Community Living Administration and Developmental Disabilities Administration

Enyemọrụ Ndị Dị

I nwere ikike ịhọrọ site n'enyemọrụ ndị i tozuru inweta. Enyemọrụ bụgasị ma ị chọọ ya. Enyemọrụ ndị Nlekọta Ibi N'ụlọ ma N'obodo yana Nlekọta Nkwarụ Mmepe nwere ike ịkwụ ụgwọ ya nwere agaghị enyere gị aka n'ihe niile ị chọrọ.

Ndị Nlekọta Ibi N'ụlọ ma N'obodo yana Nkwarụ Mmepe na-enyegasị enyemọrụ na:

- Ụlọ Ezinaụlọ Nlekọta Ndị Okenye, Ụlọ Obibi Enyemaka Maka Ndị Okenye, Ebe A Na-enye Nlekọta Pụrụ Iche, Ebe Nlekọta Ndị Ọrịa, Ebe Nlekọta Etiti Maka Ndị Nwere Nkwarụ Ọgụgụ Isi, Ụlọ Nlekọta Na Mkpakọrịta, Ụlọ Nlekọta Ụmụaka, Ebe Obibi Ụmụaka Nwere Ikikere Nke Ndị Nlekọta Na-elekọta; Ebe Obibi Òtù Nke Ngalaba Na-ahụ Maka Nkwarụ Mmepe, Ebe Obibi Òtù A Na-enye Ọzụzụ; MAỌBỤ
- Ebe obibi nke onye. **Mata:** Ndị Nlekọta Ibi N'ụlọ ma N'obodo yana Nkwarụ Mmepe anaghị enyegasị enyemọrụ nlekọta nkeonwe awa/ụbọchị 24 na bé nke mmadụ. Ọ bụrụ na a chọọ nlekọta awa 24, ya bụ na a ga-achọ nhọrọ enyemọrụ ndị ọzọ.

Onye Na-ahụ maka Ikpe Gị N'ụlọ Ọrụ Na-ahụ maka Ndị Agadi Nọ N'ogbè Gị, Onye Na-ahụ maka Akụrụngwa Ikpe nke Ọrụ Nkwarụ Mmepe, Nọọsụ Na-enye Ndụmọdụ Gbasara Nlekọta Ahụike, Onye Na-enye Ndụmọdụ Gbasara Nlekọta, Ọkachamara N'enyemọrụ Ọha N'ụlọ ma N'obodo, maọbụ Onye Na-ahụ maka Ọnọdụ Nlekọta Onye Nọ N'ụlọ Nlekọta Ndị Ọrịa N'okpuru Enyemọrụ Ụlọ na Obodo ka a na-akpọ **onye ọrụ nlekọta ikpe** n'ime akwụkwọ a.

Ikike Gị Gasị

I nwere ikike ka:

- E jiri nkwanye ùgwù, nsọpụrụ na enweghi ikpa ókè akpaso gị agwa;
- E were nsọpụrụ akpaso ngwongwo gị àgwà;
- Gị na onye ọrụ nlekọta ikpe gị rụkọọ ọrụ ọnụ n'ịkwadobe nlekọta gị;
- Enye gị enyemọrụ ọkọwa okwu na nke efù ma ọ bụrụ na i nweghi ike ịsụ maọbụ aghọta Bekee nke ọma;
- Edose ozi gbasara gị na nzuzo n'ime ókè nke iwu na ụkpụrụ ndị Ngalaba Enyemọrụ Ọha na Ahụike nyere;
- A ghara ịkwanye gị n'ike ka ị zaa ajụjụ maọbụ mee ihe ị na-achọghị ime;
- Ka a gwa gị enyemọrụ ndị i nwere ike inweta i wee họrọ enyemọrụ ndị ị chọrọ maọbụ achọghị;
- Ka a gwa gị n'odide maka mkpebi ngalaba gasị i wee nweta otù ndeta nke nchịkọta atụmatụ nlekọta maọbụ atụmatụ nkwado gị;
- Jụ enyemọrụ niile;
- Họrọ, chụpụ, maọbụ gbanwee onye na-enye nlekọta tozuru etozu;
- Nwetagasịa mpụtara nke nlele ndabere maka onye na-enye nlekọta ọbụla ị họọrọ;
- Gwa onye nlekọta okwu ma ọ bụrụ na gị na onye na-ahụ maka okwu gị ekwekọghị;
- Kpesa mwute maọbụ nchegbu n'oge ọbụla gbasara ọnọdụ maọbụ arụmọrụ onye na-enye nlekọta n'usoro nkwadobe nlekọta gị, atụmatụ nlekọta, enyemọrụ, maọbụ ige ọbụla n'ejughi gị afọ na ntọala ihe gbasara ụlọ na ime obodo gị. I nwere ikike itinye akwụkwọ maka mwute n'agbataghị ụgwọ. I nwere ike inyefe mwute maọbụ nchegbu site n'ịkpọ 1-800-737-0617, izigara grievances@dshs.wa.gov, imeelu maọbụ ịjụ onye òtù ọrụ Nkwarụ Mmepe maọbụ Nlekọta Ibi N'ụlọ ma N'obodo maka ozi gbasara etu esi etinye akwụkwọ maka mwute;
- Rịọta nnọkọ ikpe ndị nchịkwa ọ bụlagodi mgbe i megoro mkpesa;
- Mee mkpesa n'atụghị egwu mmeru ahụ ọ bụrụgodi na ị rịọtago nnọkọ ikpe ndị nchịkwa;
- Kwuo okwu gị na onye nkwado gị site n'ịkpọ 1-888-201-1014; na
- Ka a ghara imegbu gị, ileghara gị anya, iri ego gị, maọbụ ịgbaghara gị. Maka nkọwapụta okwu ndịa, gaa na: https://www.dshs.wa.gov/altsa/home-and-community-services/types-and-signs-abuse. Ọ bụrụ na gị maọbụ onye ị mara ka a na-emegbu emegbu, ka e leghara anya maọbụ ka a napụrụ ego, biko kpọọ akara ekwentị Ngalaba Enyemọrụ Ọha na Enyemọrụ Ahụike nke efù na 1-866 (End Harm) /1-866-363-4276 ka gị na onye ọrụ nwere ike inyere gị aka kwuo.

Barcode label

16172

AHA ONYE AHỊA	ID NỌMBA ACES

Ọrụ Ndị Dịịrị Gị

I nwere ọrụ:

- Ikwe ka onye ọrụ nlekọta ikpe mezuo nnyocha gị opekata mpe kwa afọ n'ebe dị gị mma;
- Ikwe ka onye ọrụ nlekọta ikpe hụ gburugburu ebe i bì opekata mpe kwa afọ;
- Inye anyị ozi zuru òkè iji mezuo nnyocha gị ma tinye aka n'ịhazi atụmatụ nlekọta ahụike gị;
- Ịgwa onye ọrụ nlekọta ikpe gị ma ọ bụrụ onye ọzọ na-emere gị mkpebi ọgwụgwọ ahụike maọbụ ego;
- Isonye n'imepụta atụmatụ nlekọta maọbụ nkwado gị, ma binye akara gị;
- Ịza ma kwukọrịta okwu gị na onye ọrụ nlekọta ikpe gị n'ụzọ dị n'oge;
- Ịhọrọ nlekọta ahụike nke onwe gị;
- Ịhọrọ onye na-enye ọrụ nlekọta tozuru etozu;
- Idose nlele ndabere onye na-enye ọrụ nzuzo;
- Ịghọta na enweghi ike ịkwụ onye na-enye gị ọrụ ụgwọ maka enyemọrụ maọbụ awa ndị a na-enyeghi ikike ya;
- Ịgwa onye ọrụ nlekọta ikpe gị ma ọ bụrụ na gị na onye na-enye gị ọrụ nlekọta na-enwe nsogbu maọbụ ma ọ bụrụ na ị naghị enweta awa onye na-enye gị ọrụ nlekọta zọtara;
- Ịkwụ onye na-enye gị ọrụ nlekọta ụgwọ ọnwa ọbụla ma ọ bụrụ na ị na-enye aka akwụ ụgwọ nlekọta gị;
- Inye ebe ọrụ nwere ezi nchekwa;
- Ịghara ime omume n'ụzọ ga-etinye onye ọbụla na nsogbu;
- Ịgwa onye ọrụ nlekọta ikpe gị tupu ịpụ, ma ọ bụrụ na ị na-eme njem apụ na steeti Washington gị na onye na-enye gị ọrụ nlekọta nkeonwe gị; ma
- Gwa onye ọrụ nlekọta ikpe gị ma ọ bụrụ na e nwere mgbanwe na:
  - ✓ Ọnọdụ ọgwụgwọ ahụike gị;
  - ✓ Enyemaka ị na-enweta site n'aka ezịnaụla, ndị enyi, maọbụ ngalaba ndị ọzọ;
  - ✓ Ọnọdụ ego gị;
  - ✓ Ebe ị na-enweta nlekọta gị;
  - ✓ Ebe i bì na steeti Washington; maọbụ
  - ✓ Ebe obibi gị - ị na-akwadobe ịga, maọbụ ebe i bizi n'abụghị steeti Washington.

Ọrụ Ndị Dịịrị Onye Ọrụ Nlekọta Ikpe

Onye ọrụ nlekọta ikpe gị nwere ọrụ:

- Iji nkwanye ùgwù na nsọpụrụ akpaso gị agwa;
- Chekwaa nzuzo gị;
- Gwa gị ihe Ndị Nlekọta Ibi N'ụlọ ma N'obodo na Nkwarụ Mmepe nwere ike, maọbụ enweghi ike, imere gị;
- Nweta ozi n'aka gị na ndị ọzọ ime nnwale ịchọpụta ogo enyemaka ị chọrọ ma kpebie enyemọrụ ndị i nwere ike ịhọrọ na;
  - ✓ Nnwale ahụ ga-agụnye ike gị, adịghị ike gị, ebumnuche gị, na mmasị gị gasị;
  - ✓ Nnwale ahụ ga-agụnye enyemaka ị na-enweta ugbua maọbụ i nwere ike inweta n'aka ezinaụlọ maọbụ ngalaba ndị ọzọ na etu ị chọrọ ka esi nye enyemọrụ ahụ;
- Nyere gị aka imepụta atụmatụ nlekọtaa maọbụ nkwado na-ekwu maka enyemaka n'ilekọta onwe gị ma gụnyere ebumnuche nkeonwe gị, mmasị, na nhọrọ gị gasị;
- Nweta ozi n'aka gị na ndị ọzọ iji melite atụmatụ nlekọta maọbụ nkwado gị kwa afọ maọbụ mgbe ọnọdụ gị gbanwere;
- Nye gị ohere zuru òkè iji wepụta ozi a chọrọ;
- Dozie nsogbu ndị i nwere n'ebe atụmatụ nlekọta maọbụ nkwado gị dịka ha na-adapụta;
- Sọpụrụgasịa ikike gị ma nye aka karịa n'inwetagasị enyemọrụ ma ọ bụrụ n ai nwere nsogbu n'uche, n'usoro akwara, n'ụzọ mmetuta uche, maọbụ n'ahụ; na
- Nyere gị aka chọta onye na-enye ọrụ nlekọta ahụike ma ọ bụrụ na i nweghi ike chọta ótù.

Barcode label

16172

AHA ONYE AHỊA	ID NỌMBA ACES

Ntụziaka Banyere Ọgwụgwọ Ị Chọrọ N'ọdịnihu

I nwere ikike inye ntụziaka banyere ọgwụgwọ ị ga-achọ n'ọdịnihu. Ntụziaka banyere ọgwụgwọ ị ga-achọ n'ọdịnihu nwere ike ịgụnye akwụkwọ na-akọwa ọchịchọ gị gbasara ọgwụgwọ ahụike tupu oge eruo maọbụ ikike iwu nyere onye ọzọ ka o mee mkpebi gbasara nlekọta ahụike gị. Ntụziaka banyere ọgwụgwọ ị ga-achọ n'ọdịnihu na-achịkọta ihe ndị ị chọrọ banyere nlekọta ọgwụgwọ ahụike na/maọbụ ahụike uche, tinyekwara ikike ịnabata maọbụ jụ ọgwụgwọ ahụike, ahụike uche, maọbụ ọgwụgwọ nke ịwa ahụ, mgbe ị na-enweghi ike iche echiche nke ọma iji mee mkpebi ndị ahụ. I nwekwara ike imebi ntụziaka banyere ọgwụgwọ ị ga-achọ n'ọdịnihu n'oge ọbụla.

Enyemọrụ Ndebebanye Aha Ndị Ntuli Aka

Iwu Mba maka Ndebanye Aha Ndị Ntuli Aka nke 1993 chọrọ ka steeti niile nye enyemaka ndebanye aha ndị ntuli aka site n'ụlọ ọrụ ha na-enye enyemaka ọha na ézè. Ịrịọ idebanye aha maọbụ ịjụ idebanye aha iji mee ntuli aka agaghị emetuta enyemọrụ maọbụ ogo enyemaka gọọmenti ndị ụlọ ọrụ a ga-enye gị. Ọ bụrụ na ị ga-achọ inye aka wee dechie akwụkwọ ndebanye aha ndị ntuli aka, anyị ga-enyere gị aka. Mkpebi gị idenye aha maọbụ ịjụ idenye aha ka a ga-edobe na nzuzo e jiri ya naanị maka ebumnuche ndebanye aha. Ọ bụrụ na mmadụ egbochiela ikike gị idebanye aha maọbụ ịjụ idebanye aha iji mee ntuli aka, ikike gị ịnọ na nzuzo mgbe ị na-ekpebi ma ị ga-edebanye aha maọbụ n'ịrịọ idebanye aha iji mee ntuli aka, maọbụ ikike gị ịhọrọ òtù ndọrọ ndọrọ ọchịchị nke gị maọbụ mmasị òtù ndọrọ ndọrọ ọchịchị ndị ọzọ, i nwere ike itinye mkpesa n'aka:

Washington State Elections Office
PO Box 40229
Olympia WA 98504-0229
1-800-448-4881

Mbinye Aka Gị

Binye aka n'okpuru ma ọ bụrụ na ị ghọta ikike na ọrụ ndị dịịrị gị ma ghọta ọrụ ndị dịịrị onye ọrụ nlekọta ikpe gị.

Mbinye Aka Onye A Na-anọchite	Ụbọchị
Mbinye Aka Onye Nnọchiteanya Iwu	Ụbọchị

Ọkwà maka ndịahịa na ndị e were n'ọrụ (Isi nke Isii na Asaa), Ngalaba Enyemọrụ Ọha na Ọrụ Ahụike nke Steeti Washington bụ onye na-ewe ndị ọrụ na-enye onye ọbụla ohere ma anaghị akpa ókè n'akụkụ ọbụla metutara iwè n'ọrụ, mmemme ya maọbụ enyemọrụ daberegasịa n'afọ onye gbara, okike, nkuzi gbasara mmekọahụ, okike mmadụ, mmata/ngosi okike mmadụ, ọnọdụ alụmụdi, agbụrụ, ukwe okpukpe, agba, mba mmadụ si, okpukpere na nkwenye, njikọ ndọrọ ndọrọ ọchịchị, ọkwá onye agha, onye agha ochie a tọhapụrụ n'ọrụ agha n'ụzọ kwesiri nsọpụrụ, Oge Agha Vietnam, ọkwá onye agha a tọhapụrụ n'ọrụ n'oge adịbeghi anya maọbụ ọkwá onye agha ochie nke iwu na-echebe ndị ọzọ, ịdị adị nke nkwarụ ọbụla metutara echiche, uche, ahụ maọbụ ojiji nduzi nkịta a zụrụ àzụ maọbụ anụmanụ enyemaka nke onye nwere nkwarụ na-eji, ụgwọ ọrụ hakọta, maọbụ ozi gbasara mkpụrụ ndụ ihe nketa.

Barcode label

16172

Ikike Gị na Ọrụ Dịịrị Gị Mgbe I Nwetara Enyemọrụ Ndị Nlekọta Ibi N'ụlọ ma N'obodo yana Nlekọta Nkwarụ Mmepe Nyere

Ntuziaka Onye Ọrụ Nlekọta Ikpe

1. Soro onye ị na-anọchite nyochaa akwụkwọ ahụ iji zaa ajụjụ ọbụla gbasara ikike na ọrụ ndị dịịrị onye a na-anọchite. Soro onye a na-anọchite nyochaa n'oge nnyocha NLEKỌTA nke mbụ (maọbụ mgbe E Nwere Mgbanwe Dị Ukwuu/Kwa Afọ ma ọ bụrụ na ebinyebeghi aka n'akwụkwọ ahụ) Ọ bụrụ na ụdị akwụkwọ ahụ nke e melitere dị, mee ka onye a na-anọchite binye aka n'akwụkwọ nke e melitere. Akwụkwọ ikike na ọrụ ndị dịịrị onye a na-anọchite kachasị ọhụrụ nke onye ọrụ nlekọta ikpe nyere nke onye a na-anọchite binyere aka na-edochi akwụkwọ nke e binyeburu aka.
2. Mee ka onye a na-anọchite maọbụ onye na-anọchite ya binye aka na ndepụta abụọ nke akwụkwọ ahụ iji gosi na ha ghọtara ikike na ọrụ dịịrị onye a na-anọchite mgbe ha na-anata enyemọrụ Ndị Nlekọta Ibi N'ụlọ ma N'obodo yana Nkwarụ Mmepe na-enye.
3. Tinye ótù ndepụta n'ime faịlụ ndekọ ikpe eletroniki nke onye a na-anọchite ma nye onye a na-anọchite nke ọzọ.